# MBIBI NKE SỌDỌM NA GỌMỌRA

**Jenesis 18:20-33; 19:1-29**

**IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 10 - Nke Ndị okenye**

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Onye-nwe-ayi matara idọputa ha n'ọnwunwa, bú ndi nāsọpuru Chineke, na idebe ndi ajọ omume n'ahuhu-nmehie rue ubọchi ikpe" (2 Pita 2:9)**

**I Ịnọgidesi ike N'Ekpere**

1. Chineke nụrụ itimkpu nke Sọdọm na Gọmọra n'ihi ịdị ukwuu nke mmehie ha, Jenesis 18:20, 21
2. Abraham rịọrọ Chineke ka Ọ rapụ ibibi Sọdọm ma ọ bụrụ na agaahụta náánị mmadụ iri ndị ezi omume nime obodo ahụ, Jenesis 18:22-33; Ọpupu 32:30-32; 2 Samuel 24:16, 17; Ndi Rom 9:1-3; 10:1
3. Chineke zara ekpere Abraham, Jenesis 19:29

**II Nnapụta Anapụtara Lọt**

1. Lọt nabatara ndị mmụọzi Chineke n'ụlọ Ya mgbe ha bịara na Sọdọm, Jenesis 19:1-3; Ndị Hibru 13:1, 2; Luk 24:28-31
2. Ndị bi n'obodo ahụ chọrọ ime ndịọbịa nke Lọt ihe ma egbochiri ha site n'ike náabụghị nke mmadụ, Jenesis 19:4-11; 2 Ndị Eze 6:18
3. Akwara ịdọakanántị Lọt dọrọ ndị èzínaụlọ ya emò, Jenesis 19:12-14; 2 Pita 3:3, 4; Matiu 24:42-51; 1 Ndị Tesalọnaika 4:8
4. Nnapụta anapụtara Lọt na ụmụ ya ndịnyom abụọ site n'inye aka nke Chineke nyere bụ nnọọ ụdị nnapụta nke ndịnsọ nke Chineke site n'Ókè Mkpagbu ahụ n'oge Nwelikọ nke ndịnsọ, Jenesis 19:15-17; Matiu 24:40, 41; 1 Ndị Tesalọnaika 5:1-9

**III Ókéiwe Chineke**

1. Lọt rịọrọ wee nata ike ịgbaba n'otù obodo ntà nke dị n'ala larịị ahụ, Jenesis 19:18-23
2. Arapụrụ iweta ikpé rue mgbe emere ka ndị eziomume nọrọ n'udo, Jenesis 19:22; Aisaia 26:20
3. Chineke bibiri obodo niile nke ala ahụ niile dị larịị -- ụdị ahụhụ mmehie nke ikpé Chineke niile nye mmehie na ndị mmehie, Jenesis 19:24-29; 2 Pita 2:4-10; Jud 5-7, 15; Nkpughe 6:17.
4. Nwunye Lọt lereanya n'àzù wee ghọọ ogidi nnú, Jenesis 19:17, 26; Luk 17:28-37

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

### Ike nke Ekpere

Ọ bụ eziomume Abraham mere Chineke jiri kọọrọ ya banyere mbibi nke náachọ ịdakwasị Sọdọm na Gọmọra. Ọ bụ na Sọdọm, ka nwanwanne Abraham, bú Lọt nwere èzínaụlọ ya. Ókè ihe ọjọọ nke ndị bi n'obodo niile nke ebe ahụ dị larịị kpasuru Chineke iwe nke ukwuu na Ọ naachọ isi n'ụwa bibie ha (Lee Ezikiel 16:49, 50). Egwù tụrụ Abraham ịnụ ụdị akụkọ a, o wee malite ngwangwa ịrịọrọ ha arịrịọ n'iru Jehova ka Ọ rapụ ibibi obodo Sọdọm. Jehova kwenyere ịrapụ obodo ahụ ma ọ bụrụ na agaahụta náánị mmadụ iriise ndị ezi omume nime ya. Ọ gaabụworị na Abraham anụwo akụkọ nkeọma banyere ihe ọjọọ nke ndị bi n'obodo ahụ n'ihi na ọ nọgidere n'ịrịọrọ obodo ahụ arịrịọ rue na Jehova kwenye kwara na agaarapụ obodo ahụ ma ọ bụrụ na ahụta náánị mmadụ iri ndị eziomume nime ya.

O kwesịrị ịbụ ihe óké ịgbaume nye ndị niile náekpere Chineke dị ndụ ịmata na ọtụtụ mgbe apụrụ igbochi ikpé niile nke Chineke maọbụ mee ka ọ nọọ ọdụ, site n'ịnọgidesiike n'ekpere nke otù onye eziomume nke Chineke. "Aririọ nke onye ezi omume di ike nke uku n'ilusi-ọlu-ike-ya" (Jemes 5:16). Náánị Chineke pụrụ ịmata ọnụọgụgụ ndịkom na ndịnyom òle bú ndị anapụtaworo site n'aka ọnwụ na ahụhụ ọkụalammụọ n'ọtụtụ narị arọ niile ndịa, n'ihi ekpere nke otù onye hụrụ ha n'anya nke rụgidere Chineke n'ekpere ka Ọ ghara ibibi ndụ ha na mkpụrụobi ha rue mgbe ha gaesi ná mmehie ha chègharịa. Ọ bụ ihe mwuta n'ebe Sọdọm na obodo niile nke ebe ahụ dị larịị dị náagbanyeghị ekpere niile Abraham kpere naahụtaghị nime Sọdọm ọbụná mmadụ iri ndị eziomume; n'ihi nke a ikpé Chineke dị ọkụ wee dakwasị ha.

### Ndị ozi nke Ohere

Eleghịanya Jehova zigara ndị mmụọzi abụọ ịchọpụta, ọnọdụ Lọt n'obodo Sọdọm na ịnapụta ya site ná mbibi nke naabịa. Lọt ebe ọ nọ n'ọnụụzọ ama nke obodo ọ hụrụ na ha bụ ndịọbịa wee rịọ ha ịnọ n'ụlọ ya. Ọ dịrị Lọt mma na o gosiri ụdị nsọpụrụ nke onye Chineke dị otú a nye ndịọbịa. Ọ mataghị na ha bụ ndị

mmụọozi Chineke, ọ maghị mbibi nke naaga ịdakwasị obodo ahụ, na ha nọ kwa n'ebe ahụ n'ihi nke ahụ; ma nsọpụrụ na omume nke ịtụrụ ndụ oji leta ha lụpụtara ọtụtụ ụgwọọlụ n'abalị ahụ.

Naarụghịụka onye ahụ nke degara Ndị Hibru Akwụkwọ ozi a bụ ihe a mere n'obi mgbe ọ naadụ Ndị Kraist nke Hibru ọdụ "Ka ihu-n'anya-unu n'ebe umu-nna-unu nọ nādigide," ka ha ghara kwa ichefu ile ndiọbịa nkeọma n'ihi na ụfọdụ esitewo na nka lee ndị mmụọozi ọbịa naamaghịama (Ndi Hibru 13:1,2). Akwụkwọnsọ naekwu na ọ bụ n'ihi ekpere Abraham ka eji si ná mbibi Sọdọm na Gọmọra napụta Lọt (Lee Jenesis 19:29). Lọt pụrụrị ilefuru ndị mmụọozi Chineke anya, jụ kwa, dịka ndị ọgọ ya nwoke jụrụ ịñantị n'ịdọakanántị ịgbalaga wee laa kwa n'iyi náagbanyeghị mgbapụ nke èchèrè ya n'iru.

**Ụzọ Mgbapụ**

Ọ bụ ezie na ekpere nke ndị eziomume naegbochi mmezu ikpé niile nke Chineke rue ọtụtụ arọ ma ụbọchị mpịakọ gaemesi bịa. Ọ bụrụ na elefuru ụzọ mgbapụ anya mgbe ahụ ọ dịkwaghị ihe fọdụrụ ma ọ bụghị ịhụ ahụhụ nke ezi iwe Chineke. Ọ dị ọtụtụ ndịkom na ndịnyom bụ́ ndị azụpụtaworo site n'odudu nke ndị nnenanna náasọpụrụ Chineke, ha wee topụta ịghọ ndị okenye ma ha ewereghị nzọpụta Kraist bụ́ nke anaezi ha site na mgbe ha dị na nwata. Ọtụtụ mgbe ha naasị na ekpere nnenanna ha gaekpuchi ha, na nke a ezuwokwara ha. Ọ dighị ekpere nnenanna nke pụrụ ịzọpụta onye ọ bụla. Ekpere ndịa niile pụrụ ime ka mmadụ nwee mkpebi nye maọbụ megide nzọpụta Chineke; ekpere ndịa kwa pụrụ iwepụga ụbọchị mpịakọ nwa oge; ekpere ndịa gaarụgide Chineke dịka ekpere nke Abraham n'ihi nwa nwanne ya bụ́ Lọt; ma Lọt gaara etufu ndụ ya na mkpụrụobi ya, ma ọ bụrụ na o soghị ndị mmụọozi Chineke bụ́ ndị bịara ịkpọpụ ya wee gbalaga.

Ọbara Kraist nke náasachapụ mmehie niile nke mkpụrụobi bụ ụzọ Chineke si kwadooro mmadụ ụzọ ịgbanarị ikpé niile nke Chineke gaje ime ka ọ dakwasị ụwa na mgbe náadịghị anya. "N'ihi na Chineke edebegh ayi ịnata iwe, kama inweta nzọputa site n'aka Onye-nwe-ayi Jisus Kraist" (1 Ndi Tesalọnaika 5:9). Mgbapụ nke Noa site n'Ijummiri ahụ, nime ugbọ ahụ nke o wuru site ná ntuziaka na odudu Chineke; nnapụta nke Ụmụ Israel site n'Ijipt, na mkpuchi ekpuchiri ha site n'ọrịa náeféefè na ọnwụ nke kpochapụrụ Ijipt; na nnapụta esi na Sọdọm napụta Lọt -- ha niile bụ ụdị nzọpụta agaazọpụta ndị eziomume site n'ikpé ikpeazụ nke gaje ịbịakwasị ụwa na ajọomume niile. Jisọs dọrọ ndị Ọ naagwa okwu akanántị banyere ihe ndịa, gbaara ha àmà banyere ajọomume nke ndị biri n'ụbọchị Noa na Lọt wee gwa ha na ọgwụgwụ dị otú a gaabịakwasị ha ọ bụrụ na ha esighị ná mmehie ha niile chègharịa.

N'ikpeàzụ̀ nke ihe niile Jisọs gaalaghachi wee dọrọ ndị nke Ya nye Onweya. Ndị eziomume nwụrụanwụ ka agaeme ka ha bilie ịbà ná ndụ ebighịebi, ma ndịnsọ dị ndụ ka agaewelikọ, ha niile izute Kraist na mbaraigwe, ma ndị ajọomume nwụrụanwụ agaghị adị ndụ ọzọ rue puku arọ. (Gụọ Nkpughe 20:5, 6).

**Chetanụ Nwunye Lọt**

Lọt si na Sọdọm gbapụ, ma ọ rapụrụ ihe niile nke o nwere n'eluụwa n'àzụ̀ ya. Ezi OnyeKraist nwere akụ̀ dị óké ọnụahịa n'obi ya ebe ndịori apụghị ịbà wee zue, na ebe nla na nchala náapụghị imebi (Gụọ Matiu 6:20).

Ọ bụ ezie na Lọt bụ onye eziomume, o nwere ákụ́ ya niile na Sọdọm; ebibiri ha mgbe ebibiri obodo ahụ. Abraham bụ́ nwanne nna ya bụ́ onye naasọpụrụ Chineke, arọpụtaworo onweya ụzọ nke ka mma, o tinyewo kwa ndebe ákụ́ ya niile n'aka Jehova. Abraham arọrọwo ihe nke Chineke, ihe nke imemmụọ, ịbụ ákụ́ ya; ha ka nọ kwa n'aka ya rue ụbọchị taa (Lee Jọn 4:36). Ọ naanata ụgwọọlụ ya rue ndụ ebighịebi, ma ejiri ọkụ rechapụ ọlụ nke Lọt, ọ wee bụrụ náání ihe ntakịrị ka ya onweya ji gbanarị mbibi (Gụọ 1 Ndị Kọrint 3:10-15)

Ndị mmụọozi dọrọ Lot na èzínaụlọ ya akananṭị ka ha si n'ala ahụ dị larịị gbapụ, ka ha ghara kwa ile anya n'azụ̀. Nwunye Lọt kwụsịrị mgbe ha naagbapụ, lee anya n'azụ̀ n'obodo ahụ ha si naagbapụ, wee ghọ ogidi nnụ. Àkụ̀ ya niile ka naadị n'obodo ahụ, ma mgbe ọ naejigideghị onweya site n'ile anya n'azụ, ikpe Chineke wee dakwasị ya. "Ebe ákú gi di n'ebe ahu ka obi-gi gādi kwa" (Matiu 6:21).

Mgbe ọ bụla esiri ná mmehie napụta mmadụ, o kwesighị ka enwee "ile anya n'àzù" n'ebe ndụ ochie dị, n'ihi na nka gaabụ mmehie. Jisọs dọsiri ndị náanụ okwu Ya akanántị ike banyere ikpe nke gaje ịdakwasị ụwa; O wee jiri kwa ihe mere nwunye Lọt, bụ́ onye lere anya n'azú, dịka ihe ịdọakanántị nye ndị ahụ gaeguzo n'iru mbibi doro anya wee ghara ime ọkpụkpọ na nrọpụta ha banyere Eluigwe ịbụ ihe náeguzosi ike. Na mgbe ọzọ Jisọs nyere ndị náanụ okwu Ya ndụmọdụ na "ọ digh onye ọ bula nke nēle anya n'azù, mgbe o tinyesiri aka-ya n'ọ́gù anu-ulo nādọkpughari, kwesiri ala-eze Chineke" (Luk 9:62). Pita, n'otùaka ahụ,

dọkwara NdịKraist akanántị banyere ihe egwù nke ileghachi anya n'azụ n'ebe ndụ ochie nke mmehie dị. "N'ihi na asị na, mgbe ha gbanariworo ihe nile emeruru emeru nke uwa site na nmazu nke Onye-nwe-ayi, bu Onye-nzọputa-ayi, Jisus Kraist, ewe tuhi ha ọzọ nime ihe ndia meri kwa ha ọnọdụ ikpe àzù ha abiawo jọkaria ọnọdụ mbu njọ. N'ihi na ọ gākawori nma ma ọ buru na ha akāmazugh uzọ ezi omume, karia imazu ya, we si n'ihe di nsọ ahu enyere n'iwu, nke enyere ha n'aka idebe, laghachi" (2 Pita 2:20, 21). Otú ahụ ka ọ dị na nwunye Lọt onye leghachiri anya n'ebe Sọdọm dị tụfuru ohere o nwere ịgbapụ, wee jiri ndụ ya na mkpụrụobi ya kwụọ ụgwọ ya, wee ghọ site na mgbe ahụ ihe àtụ́ nke nzuzu isi n'amara daghachi àzụ́.

**"Chetanu Nwunye Lọt."**

## AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1. Òlee otú Abraham ji mata na agaje ibibi Sọdọm na Gọmọra?
2. Gịnị mere ihe gbasara Lọt, nwa nwanne ya ji metụta Abraham?
3. Gịnị ka o mere iji hụ na anapụtara Lọt?
4. Gịnị bụ ọlụ ndị mmụọozi abụọ ahụ bịara ịlụ na Sọdọm?
5. Gịnị mere Lọt ji duru ndị mmụọozi abụọ ahụ laa n'ụlọ ya?
6. Gịnị mere ndị ọgọ Lọt ekwenyeghị n'ịdọakanántị Lọt dọrọ ha?
7. N'ụzọ dị añaa ka mgbapụ nke Lọt site na Sọdọm ji bụrụ ụdị Mwelikọ nke ndịnsọ?
8. Gịnị mere nwunye Lọt ji lee anya n'àzụ́?
9. Gịnị mere nwunye Lọt?
10. Gịnị mere Jisọs ji gwa ndị náanụ okwu Ya ka ha cheta nwunye Lọt?